IG



# “Anọ m n’ụkpụrụ Dublin - kedu ihe nke a pụtara?”

B

**Ozi maka ndị anamachọihe maka mkpuchido mba ofesi ahụrụ n’ụkpụrụ Dublin, na nchuso edemede 4 nke Usoro (EU) Ākara 604/2013**

**Enyere gị mpempe akwụkwọ a n'ihi ị rịọrọ mkpuchido mba ofesi (ịze ndụ) n'obodo a ma ọ bụ n'obodo Dublin ọzọ yana ndị ikikere nọ ebe a nwere ebumnuche iji kwenye na obodo ọzọ nwere ike ịbụ ndị kwesịrị ịhụta maka inyocha arịrịọ gị.**

**Anyị ga-ekpebi obodo ọ bụ ọrụ ha site na ụkpụrụ emebere n'aka iwu European Union akpọrọ Usoro 'Dublin'. Akpọrọ ụkpụrụ a 'ụkpụrụ Dublin'. Mpempe akwụkwọ a chọrọ ịza ajụjụ ndị a na ajụkarị ị nwere ike ịnwe gbasara ụkpụrụ a.**

**Ọ bụrụ na enwere ihe ọ bụla edere ebe a ị ghọtaghị, biko jụọ ndị ikikere.**

**Mpempe akwụkwọ dị ugbu a bụ maka naanị ebumnuche izi ozi. Ebumnuche ya bụ ịnye ndị anamachọihe maka mkpuchido mba ofesi site na iji ozi dị mkpa na nsọpụrụ nke Ụkpụrụ Dublin. Ọ naghị emepụta/tụkwasa onwe ya ikike ma ọ bụ mmanye iwu. Ikike na mmanye nke Steeti na mmadụ nọ n'okpuru ụkpụrụ Dublin dị n'ụdị atọrọ na Usoro (EU) 604/2013.**

**©European Union 2014**
**Enyere ikike maka mmepụtagharị. Maka ojiji ma ọ bụ mmepụtagharị ọ bụla nke foto, a ga-achọrịrị ikikere ozugbo n'aka ndị ji nwebisinka.**




*Obodo ndị Dublin gụnyere obodo European Union 28 (Austria (AT), Belgium (BE), Bulgaria (BG), Croatia (HR), Cyprus (CY), Czech Republic (CZ), Denmark (DK), Estonia (ET), Finland (FI), France (FR), Germany (DE), Greece (EL), Hungary (HU), Ireland (IE), Italy (IT), Latvia (LV), Lithuania (LT), Luxembourg (LU), Malta (MT), Netherlands (NL), Poland (PL), Portugal (PT), Romania (RO), Slovakia (SK), Slovenia (SI), Spain (ES), Sweden (SE), United Kingdom (UK)) yanakwa obodo 4 "ejikọtara" na Usoro Dublin (Norway (NO), Iceland (IS), Switzerland (CH) na Liechtenstein (LI)).*

## “Gịnị kpatara m ji nọrọ n’ụkpụrụ Dublin?”

Usoro Dublin na emetụta n’ofe mpaghara ala nke gụnyere obodo 32. **‘Obodo ndị Dublin’ bụ:** Austria, Belgium, Bulgaria, Croatia, Cyprus, Czech Republic, Denmark, Estonia, Finland, France, Germany, Greece, Hungary, Ireland, Italy, Latvia, Lithuania, Luxembourg, Malta, Netherlands, Poland, Portugal, Romania, Slovakia, Slovenia, Spain, Sweden, United Kingdom) yanakwa obodo 4 “ejikọtara” na sistemụ Dublin (Norway, Iceland, Switzerland na Liechtenstein).

Ụkpụrụ Dublin na ekpebi otu obodo kwesịrị ịhụta maka inyocha akwụkwọ anamachọihe gị maka ịze ndụ. Nke a pụtara na enwere ike ibufe gị n’obodo a gaa na obodo ọzọ kwesịrị inyocha akwụkwọ anamachọihe gị.

Ụkpụrụ Dublin nwere ebumnuche abụọ:

- iji hụ na akwụkwọ anamachọihe gị maka ịze ndụ ga-erute n’aka ndị ikikere nke obodo ọ bụ ọrụ ha inyocha ya;
- iji hụ na i tinyeghi ọtụtụ akwụkwọ anamachọihe maka ịze ndụ n’ọtụtụ obodo n’ihi ịdọtị ọnụnọ gị n’obodo ndị Dublin.

Ruo mgbe ekpebiri obodo kwesịrị ịme mkpebi na akwụkwọ anamachọihe gị, ndị ikikere ebe a agaghị atụle nkọwa nke akwụkwọ anamachọihe gị.

**CHETA:** Ị kwesịghị ịga n’obodo Dublin ọzọ. Ọ bụrụ na ị gaa n’obodo Dublin ọzọ, a ga-ebughachite gị azụ ebe a ma ọ bụ n’obodo ebe ị rịọburu maka ịze ndụ. Ịgbarapụ akwụkwọ anamachọihe gị ebe a agaghị agbanwe obodo ọ bụ ọrụ ha. Ọ bụrụ na ị zoo ma ọ bụ gbafuo, enwere ike ijide gị.

Ọ bụrụ na ị nọbu n’oge gara aga n’ime otu obodo ndị Dublin, kemgbe ahụ ị hapụrụ mpaghara nke obodo ndị Dublin tupu ị bịa obodo a, ị ga-agwarịrị anyị. Nke a dị mkpa n’ihi ọ nwere ike ịmetụta obodo ọ bụ ọrụ ha maka inyocha akwụkwọ anamachọihe gị. Enwere ike ịjụ gị ka iweta ihe akaebe nke oge egburu na mpụga obodo Dublin, dịka ọmụmaatụ mbisa na kpali gị, nweghachite ma ọ bụ mkpebi mwepu ma ọ bụ akwụkwọ na egosi na i biri ma ọ bụ rụọ ọrụ na mpụga obodo ndị Dublin.




©European Union

## “Kedu ozi ndị m kwesịrị ịgba mbọ hụ na ndị ikikere matara? Kedu otu m ga-esi kọwaa ozi a n’ihu ndị ikikere?”

Enwere ike ịjụ gị ajụjụ ọnụ (njụajụjụ nkeonwe) iji kpebie obodo ọ bụ ọrụ ha inyocha arịrịọ gị maka ịze ndụ. N’ajụjụ ọnụ a, anyị ga-akọwa ‘ụkpụrụ Dublin’. Ị kwesịrị ịnye anyị ozi niile ị nwere gbasara ọnụnọ nke ndị otu ezinụlọ ma ọ bụ ụmụnne ọ bụla n’ime otu obodo ndị Dublin, yanakwa ozi ọzọ ọ bụla nke ị chere nwere ike ịdị mkpa maka izube obodo ọ bụ ọrụ ha (hụ n’okpuru maka ihe ngosipụta akọwapụtara nke ọma maka ozi dị mkpa). Ị kwesịkwara iweta dọkụmentị ma ọ bụ akwụkwọ ọ bụla i ji nwere ozi ndị dị mkpa.

**Biko gwa anyị ozi niile dị mkpa iji nyere aka kpebie obodo kwesịrị ịhụta maka inyocha akwụkwọ anamachọihe gị.**

A ga-eme ajụjụ ọnụ a n’asụsụ ị ghọtara ma ọ bụ nke ị kwesịrị ịghọta obere ma nwee ike iji kwukọrịta okwu.

Ị nwere ike ịrịọ maka onye ọkọwa okwu iji nyere gị aka kwukọrịta okwu ma ọ bụrụ na ị nweghị ike ịghọta asụsụ ejiri. Onye ọkọwa okwu ga-akọwarịrị naanị ihe gị na onye na ajụ ajụjụ na ekwu. Onye ọkọwa okwu ahụ agaghị etinye uche nke ya. Ọ bụrụ na ị nwere nhịahụ na ị ghọta onye ọkọwa okwu ahụ, ị ga-agwarịrị anyị na/ma ọ bụ gwa ọkaiwu gị okwu.

Ajụjụ ọnụ ahụ ga-abụ ihe nzụzọ. Nke a pụtara na ọnweghị ozi ị nyere, gụnyere na i tinyela akwụkwọ maka ịze ndụ, a ga-eziga n’aka mmadụ ma ọ bụ ndị ikikere n’obodo gị nke nwere ike ibuteere gị mmekpa ahụ n’ụzọ ọ bụla, ma ọ bụ ndị otu ezinụlọ gị ndị ka nọ n’obodo gị.

Enwere naanị ike ịjụ gị ikike ajụjụ ọnụ ma ọ bụrụ na ị nyere anyị ozi a site n’ụzọ ọzọ, ka agwachara gị maka ụkpụrụ Dublin yana ndapụta ya maka ọnọdụ gị. Ọ bụrụ na ajụghị gị ajụjụ, ị nwere ike ịjụ gị ka iweta ozi ndị ọzọ edere ede maka ikpebi obodo ọ bụ ọrụ ha.

## “Kedu otu ndị ikikere ga-esi zube obodo kwesịrị ịhụta maka inyocha akwụkwọ anamachọihe m? “

Enwere ọtụtụ ihe ndị kpatara obodo nwere ike ịhụta maka inyocha akwụkwọ anamachọihe gị. A ga-etinye ebumnuche ndị a n’usoro mkpa nke iwu nyere. Ọ bụrụ na otu ebumnuche adịghị mkpa, a ga-atụle nke na esote, wee gaba n’ihu.

Ebumnuche ndị ahụ na emetụta ihe ndị a, n’usoro nke mkpa:

- ị nwere onye otu ezinụlọ (di ma ọ bụ nwunye, ụmụaka na erughi afọ 18) enyegoro mkpuchido mba ofesi ma ọ bụ onye bụ onye nchọncho ịze ndụ n’obodo Dublin ọzọ;
  **Ya mere ọ dị mkpa na ị gwara anyị ma ọ bụrụ na ị nwere ndị otu ezinụlọ n’obodo Dublin ọzọ, tupu emee mkpebi izizi na arịrịọ ịze ndụ gị**. Ọ bụrụ na ị chọrọ ka ekpokọta unu ọnụ n’otu obodo, gị na onye otu ezinụlọ gị ga-egosipụta mmasị gị n’ọdịde.
- obodo Dublin ọzọ nyeburu gị visa ma ọ bụ ikike obibi;
- ewerela mbisa mkpịsị aka gị n’obodo Dublin ọzọ (echekwara n’ọdụ data nke Europe akpọrọ Eurodac [1]);
- enwere ihe akaebe na ị gaala, ma ọ bụ mee njem site na, obodo Dublin ọzọ, ọbụlagodi na eweghị mbisa mkpịsị aka gị ebe ahụ.




---

1) **Enyekwuru ozi ndị ọzọ maka Eurodac n’ibe 8 nke mpempe akwụkwọ ahụ “Arịọla m ịze ndụ na EU - kedu obodo ga-ejikwa ebubo m?”**

## “Ọ bụrụkwanụ na m dabere na nlekọta mmadụ ma ọ bụ na mmadụ dabere na m? “

Enwere ike ijikọrịta unu n’otu obodo ka **nne, nna, nwa, nwanne nwoke ma ọ bụ nwanne nwanyị** gị ma ọ bụrụ na ọnọdụ ndị a niile dị:

- ha niile bi n’okpuru iwu n’otu obodo ndị Dublin;
- otu n’ime unu dị ime, ma ọ bụ nwee nwa amụrụ ọhụrụ, ma ọ bụ nwee nnukwu ọrịa, ma ọ bụ nwee nnukwu nkwarụ ma ọ bụ kaa nka;
- otu n’ime unu dabere na enyemaka nke onye ọzọ, onye nwenwuru ike ịlekọta ya anya.

Obodo ebe nwa, nwanne ma ọ bụ nne ma ọ bụ nna gị bi kwesịrị ịnabata ọrụ maka inyocha akwụkwọ anamachọihe gị, ọbụkwanaala na ezinụlọ gị dị n’obodo gị. A ga-ajụkwa gị ka igosi n’ọdịde na unu abụọ chọrọ izuteghari.

Ị nwere ike ịjụ maka nke a ịme ma ọ bụrụ na ị nọrọla n’obodo ahụ ebe nwa, nwanne ma ọ bụ nne ma ọ bụ nna gị nọ, ọ bụrụ na ị nọ n’obodo dị iche na nke ebe ndị umunne gị bi. N’okwu nke abụọ a, ọ ga-apụta na ị ga-eje n’obodo ahụ, belụsọ na ị nwere ọnọdụ ahụike na egbochi gị ịme njem tere aka.

Na mgbakwunye omume a, ị nwere ike ịjụ oge niile n’oge ụkpụrụ ịze ndụ ahụ iji sonye nwanne gị maka ebumnuche ọsọndụ, ezinụlọ ma ọ bụ omenala. Ọ bụrụ na anabatara nke a, ị nwere ike ịga n’obodo ahụ ebe nwanne gị nọ. N’ụdịrị nke ahụ a ga-ajụkwa gị ka ịnye nkwekọrịta gị n’ọdịde. Ọ dị mkpa na ị gwara anyị maka ebumnuche ọsọndụ ọ bụla maka inyocha arịrịọ gị ebe a ma ọ bụ n’obodo dị iche.

**Ebe nsogbu mmekọrịta, ndabere ma ọ bụ ọsọndụ bụ ihe ndị i bulitere enwere ike ịgwa gị ka ịnye nkọwapụta ma ọ bụ ihe akaebe iji kwado ebubo gị.**

## “Ọ bụrụkwanụ na m nwere ọrịa ma ọ bụ nwee mkpa ọ bụla pụrụ iche?”

Iji nye gị nlekọta ahụike ziri ezi ma ọ bụ ọgwụgwọ, ndị ikikere nọ ebe a kwesịrị ịma maka mkpa ọ bụla pụrụ iche ị nwere ike ịnwe, gụnyere gbasara ahụike gị, karịchara ma ọ bụrụ na ị:

- bụ onye nwere nkwarụ,
- dị ime
- nwere nnukwu ọrịa,
- enweela ntaramahụhụ, ịkwa iko n'ike ma ọ bụ ụdị nke mmekpa ahụ ime mmụọ, anụahụ na ịkwa iko.

Ọ bụrụ na ị gwa anyị nkọwapụta ahụike gị, ekpebie na a ga-eziga gị n'obodo dị iche, anyị ga-ajụ ikikere gị iji kekọrịta ozi ahụike gị n'etiti obodo ebe a na eziga gị. Ọ bụrụ na ị kwenyeghị na nke a, nke a ga-egbochi izipu ozi ahụike ahụ, mana ọ gaghị egbochi mbufe gị gaa na obodo ọ bụ ọrụ ha. Buru n'uche na ọ bụrụ na ị kwenyeghị na anyị ga-eziga ozi ahụike gị n'obodo nke ọzọ, obodo nke ọzọ agaghị enwe ike ịnye nlekọta anya maka mkpa gị pụrụ iche.

Biko mara na a ga-ejikwa ozi ahụike gị oge niile na nzuzo n'aka ndị ọkachamara dabere na mmanye nzuzo.

## “Ogologo oge ole ka ọ ga-ewe iji kpebie obodo ga-ejikwa akwụkwọ anamachọihe m? Ogologo oge ole ka ọ ga-ewe tupu enyochaa akwụkwọ anamachọihe m?”

Ọ bụrụ na ndị ikikere n'obodo a kpebie anyị kwesịrị ịhụta maka inyocha akwụkwọ anamachọihe gị maka ịze ndụ, nke a pụtara na ị nwere ike ịnọrọ n'obodo a, a ga-enyocha akwụkwọ anamachọihe gị ebe a.

## “Gịnị na eme ma ọ bụrụ na ahụta na obodo ọzọ, dị iche na nke m nọ na ya, kwesịrị inyocha akwụkwọ anamachọihe m?”

Ọ bụrụ na anyị tụlee na obodo ọzọ kwesịrị ịhụta maka inyocha akwụkwọ anamachọihe gị, anyị ga-arịọ ka obodo ahụ weghara ọrụ n’ime **ọnwa 3** nke ụbọchị nke nnyefe nke akwụkwọ anamachọihe gị n’obodo a.

Agbanyeghi, ọ bụrụ na ezube ọrụ nke obodo ọzọ dabere na data mbisa mkpịsị aka gị, a ga-eziga arịrịọ nke obodo nke ọzọ ahụ n’ime **ọnwa 2** bido n’oge enwetara nsonaazụ ndị ahụ n’aka Eurodac.

- *Ọ bụrụ na nke a bụ oge izizi i tinyere akwụkwọ maka ịze ndụ n’obodo Dublin mana enwere ihe kpatara a ga-eji kwenye na obodo Dublin ọzọ kwesịrị inyocha akwụkwọ anamachọihe ịze ndụ gị, anyị ga-arịọ na obodo nke ọzọ ahụ **”weghara ọrụ”** nke okwu gị.*

Obodo nke anyị ga-eziga arịrịọ ahụ ga-azarịrị n’ime **ọnwa 2** nke nnata nke arịrịọ ahụ. Ọ bụrụ na obodo ahụ azaghachighi n’ime oge a, nke a pụtara na ọ nabatala ọrụ maka akwụkwọ anamachọihe gị.

- *Ọ bụrụ na i tinyela akwụkwọ maka ịze ndụ n’obodo Dublin ọzọ dị iche na nke ị nọ na ya ugbu a, anyị ga-arịọ ka obodo nke ọzọ ahụ **”weghachi gị”***

Obodo nke anyị zigara arịrịọ ahụ ga-azarịrị n’ime **1 ọnwa** nke nnata nke arịrịọ ahụ ma ọ bụ n’ime **izu 2** ọ bụrụ na arịrịọ ahụ dabere na data Eurodac. Ọ bụrụ na obodo ahụ azaghachighi n’ime oge a nke a pụtara na ọ nabatala ọrụ maka akwụkwọ anamachọihe gị ma kwenye na iweghachi gị azụ.

Ọ bụrụ na, agbanyeghi, i tinyeghi akwụkwọ maka ịze ndụ n’obodo a mana ajụrụ akwụkwọ anamachọihe ịze ndụ gị ikpeazụ n’obodo ọzọ site na mkpebi ikpeazụ, anyị nwere ike ịhọrọ iziga arịrịọ na obodo ọ bụ ọrụ ha iji weghachi gị, ma ọ bụ gaa n’ihu na idughachi gị na obodo gị ma ọ bụ nke ebe obibi gị ma ọ bụ gaa na obodo nke atọ dị mma.

Ọ bụrụ na obodo ọzọ nabata na ọ bụ ọrụ ha inyocha akwụkwọ anamachọihe gị, a ga-agwa gị maka mkpebi anyị:

- ịhapụ inyocha arịrịọ gị maka ịze ndụ ebe a n'obodo a yana,
- iji nyefee gị n'obodo ọ bụ ọrụ ha.

Mbufe gị ga-eme n'ime ọnwa 6 nke ụbọchị mgbe obodo nke ọzọ ahụ nabatara iweghara ọrụ, ma ọ bụ, ọ bụrụ na i kpebie ịgbaha mkpebi ahụ, n'ime ọnwa 6 bido n'oge ụlọ ikpe ma ọ bụ otu ndị ọkaiwu kpebiri na enwere ike iziga gị na obodo ahụ. Enwere ike ịdọtị oke oge a ma ọ bụrụ na ị gbafuo n'aka ndị ikikere ebe a ma ọ bụ ọ bụrụ na atụọ gị n'ụlọ nga.

Ọ bụrụ na ejide gị / ebe emechiri emechi n'obodo a dị ka akụkụ nke ụkpụrụ Dublin, oke oge pere mpe ga-adị (hụ ngalaba akọwapụtara gbasara njide maka ozi ndị ọzọ).

Obodo ọ bụ ọrụ ha ga-elekọta gị anya dị ka onye nchọnchọ ịze ndụ, ị ga-enweta elele nke ikike niile emetụtara. Ọ bụrụ na i tinyebeghị akwụkwọ maka ịze ndụ na mbụ n'obodo ahụ, a ga-enye gị ohere itinye akwụkwọ ka i rutechara.

## “Ọ bụrụ na m jụ na mkpebi iji ziga m n’obodo ọzọ?”

Ị nwere ike ikwu na ị jụrụ na mkpebi iji ziga gị n’obodo Dublin ọzọ. A na akpọ nke a ‘mkpegharị’ ma ọ bụ ‘nyocha’. Ị nwekwara ike ịjụ maka nkwụsịtụ nke mbufe maka ọnụnọ nke mkpegharị ma ọ bụ nyocha ahụ.

Ị nwere ike ịchọta ozi maka ndị ikikere a ga-akpọtụrụ iji gbahaa mkpebi n’obodo a na ngwụcha nke mpempe akwụkwọ a.

Mgbe ị nwetara mkpebi mbufe si n’aka ndị ikikere, ị nwere ụbọchị 21 iji tinye akwụkwọ mgbaha na Ụlọ Ikpe Nchịkwa. Ọ dị oke mkpa na ị gbaghara (mkpegharị ma ọ bụ nyocha) n’ime oge egosiri.

Ị nwere ụbọchị (7) asaa iji rịọ ka akwụsịtụ mbufe gị ka a na enyocha arịrịọ mkpegharị gị. Ụlọ ikpe ma ọ bụ otu ndị ọkaiwu ga-eme mkpebi na arịrịọ a n’oge adịghị anya. Ọ bụrụ na ọ jụ gị nkwụsịtụ ahụ, a ga-enye gị ihe kpatara nke ahụ.

N’oge ụkpụrụ a ị nwere ikike nke enyemaka ọkaiwu na, ọ bụrụ na ọ dị mkpa, enyemaka ịsụ asụsụ. Enyemaka ọkaiwu pụtara na ị nwere ikike ịnwe onye ọkaiwu nke ga-akwadobe akwụkwọ gị ma nọchite gị n’ihu nke ụlọ ikpe.

Ị nwere ike ịrịọ ịnwe enyemaka a n’efu ma ọ bụrụ na ị nweghị ịkwụ ụgwọ ha. Enwere ike ịchọta ozi maka ụlọ ọrụ ndị na enye enyemaka ọkaiwu na ngwụcha nke mpempe akwụkwọ a.




©iStockphoto / Joe Gough

## “Enwere ike ijide m? “

*Enwere ike ịnwe ihe ndị ọzọ kpatara a ga-eji jide gị, mana, maka ebumnuche nke ụkpụrụ Dublin, enwere naanị ike ijide gị ma ọ bụrụ na ndị ikikere anyị tụlee na enwere ihe egwu nwere ike ịdị, na ị nwere ike ịgbafu n’ihi ị chọghị ka eziga gị n’obodo Dublin ọzọ.*

## “Kedu ihe nke a pụtara? “

Ọ bụrụ na ndị ikikere anyị tụlee na enwere ihe egwu ahụrụ anya na ị ga-agbafu n’aka anyị - dịka ọmụmaatụ n’ihi i mebuola ya ma ọ bụ n’ihi ị naghị asọpụrụ na ịkpesa ọrụ gị wdg. - ha nwere ike ijide gị n’oge ọ bụla n’oge ụkpụrụ Dublin ahụ. Edere ihe ndị kpatara a ga-eji jide gị n’iwu. Ọnweghị ebumnuche ọzọ na abụghị ndị dị n’iwu enwere ike ịkpalite iji jide gị.

Ị nwere ikike ịnweta ozi n’ọdịde maka ihe kpatara eji jide gị, yanakwa ọdịdị nke ịgbaha ntimiwu njide. Ị nwekwara ikike nke enyemaka ọkaiwu ma ọ bụrụ na ị chọrọ ịgbaha ntimiwu njide ahụ.

Ọ bụrụ na ejidere gị n’oge ụkpụrụ Dublin, oge nke ụkpụrụ ahụ maka gị ga-abụ ihe ndị a:

- Anyị ga-arịọ obodo nle ọzọ iji eweghara ọrụ n’ime **1 ọnwa**nke nnyefe nke akwụkwọ anamachọihe ịze ndụ gị.
- Obodo nke anyị zigara arịrịọ ahụ ga-azaghachiriri n’ime **izu 2** nke nnata arịrịọ anyị.
- Enwere ike ịme mbufe gị n’ime **izu 6** nke nnata nke arịrịọ sitere n’aka obodo ọ bụ ọrụ ha. Ọ bụrụ na ị gbahaa mkpebi mbufe ahụ, a ga-agụ izu 6 ahụ bido n’oge ndị ikikere, ma ọ bụ ụlọ ikpe ma ọ bụ otu ndị ọkaiwu kpebiri na ọ dị mma iziga gị n’obodo ọ bụ ọrụ ha ka a na atụle mkpeghari gị.

Ọ bụrụ na anyị daa n’ịsọpụrụ oge njedede maka izipu arịrịọ ma ọ bụ maka itinye mbufe gị, njide gị maka ebumnuche nke mbufe n’okpuru Usoro Dublin ga-akwụsị. N’ụdị ahụ, oke oge egosiri n’elu ga-adị.

## “Gịnị ga-eme ozi nkeonwe m nyere? Kedu otu m ga-esi mara na agaghị ejihie ya?”

Ndị ikikere nke obodo ndị Dublin nwere ike ịgbanweta data ị na enye ha n’oge ụkpụrụ Dublin maka naanị ebumnuche nke imezu ọrụ ha n’okpuru Usoro Dublin yana Usoro Eurodac. N’ofe ụkpụrụ Dublin niile ị nwere ikike maka nkọwa nkeonwe gị yana ozi ị nyere maka onwe gị, ọnọdụ ezinụlọ gị, wdg. ekwesịrị ikpuchido ya. Enwere naanị ike iji data gị maka ebumnuche iwu kọwara.

Ị ga-enwe ikike nke nnweta:

- Maka data metụtara gị. Ị nwere ikike iji rịọ ka edezie ụdịrị data ahụ, gụnyere data Eurodac, ma ọ bụrụ na ha ezighi ezi, ma ọ bụ ka ehichapụ ha ma ọ bụrụ na ahaziri ha n’usoro gabigara iwu;
- Maka ozi na akọwa otu ị ga-esi rịọ ka edezie ma ọ bụ hichapụ data gị gụnyere data Eurodac. Nke a gụnyere nkọwa mkpọtụrụ nke ndị ikikere ọ bụ ọrụ ha maka ụkpụrụ Dublin gị, yana nke ndị ikikere mkpuchido data ala na ahụ maka ijikwa arịrịọ ndị metụtara mkpuchido nke data nkeonwe.

1.9.2016 igbo

European Commission

MAAHANMUUTTOVIRASTO
MIGRATIONSVERKET
FINNISH IMMIGRATION SERVICE